Mmetụta Atụmatụ Iwu Ke Asụsụ Na Mmepụta Ya N'ebe Ọmụmụ Asụsụ Igbo Dị N'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị N'oge Nzuruụwa (Challenges of implementing language policy in learning of Igbo language in secondary school in a globalized world)

Si n'aka

Gloria Ngozi Ugbor
Department of Arts Education/Centre for Igbo Studies,
University of Nigeria, Nsukka
ugbor.gloria@unn.edu.ng
08067280506

Na

Chikodi Dymna Onyegiri
Centre for Igbo Studies, University of Nigeria Nsukka.
chikodi.onyegiri @unn.edu.ng
08038870826

Ụmị

Nchọcha a lebara anya na akamgba chere mmepụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n' ụlọakwụkwọ sekọndịrị na steeti Enugu n'oge nzuruụwa. Ebumnobi nchọcha a bụ ịmata atụmatụ iwu ọhụrụ nke asụsụ na akamgba ndị ahụ na e chere mmepụta ya n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na steeti Enugu n'oge nzuruụwa. Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji wee mee nchọcha a. Ndị nchọcha gbasoro usoro nkọwa sọvee wee mee nchọcha ha. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị isi nkuzi asụsụ Igbo na sekọndịrị dị iri asaa, bụ nke a gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ wee họpụta. Ngwa e jiri mee nchọcha bụ njụmaza, nke ndịna ya dị iri abụọ na ise (25) n' ime nkeji abụọ. Ngwa nchọcha a bụ nke ndị ọkachamara lebara anya na ya. Ndị nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị ngwa nchọcha site n 'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach 's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.81. E jiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa njụmaza e ji wee mee nchọcha. Nchọcha e mere gosiri na atụmatụ iwu ọhụrụ ke asụsụ gụnyere ịkwalite asụsụ aranne n'ọnọdụ agụmakwụkwọ,ọchịchị, azụmahịa na ụzọ mmekọrịta ndị ọzọ, ikụziri ụmụaka ọtụtụ asụsụ aranne tinyere ikuzi asụsụ mba ofesi *french na Arabic*

na ndị ọzọ bụ nke ga- akwalite mgbasa na nchekwa asụsụ tụmadị asụsụ aranne n'oge nzuruụwa a. Nchọpụta nke ikpeazụ gosiri na akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'oge nzuruụwa gụnyere enweghị kọrikulum ihe ọmụmụ asụsụ Igbo kwụdosiriike, ịmaaka sitere n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ dịka asụsụ Bekee, ihe ọmụmụ mgbakọ na nwepụ tinyere ihe ọmụmụ sayensi na ndị ọzọ. Onye nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị, imepụta korikulum Igbo kwụdosirike maka nkwalite asụsụ Igbo na omenala na ndị ọzọ.

Ọkpụrụkpụ okwu: Atụmatụ iwu ke asụsụ, mmepụta atụmatụ iwu nke asụsụ, ọmụmụ asụsụ Igbo, oge nzuruụwa

Mkpọlite

Asụsụ bụ otu ngwa pụtara ihe na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, omenala, na akara njirimara mmadụ. N'ihi na ọ bụ ngwa mmadụ ji akpakọrịta, ọ na- arụ ọrụ pụtara ihe n'ịhazị echiche onye nakwa nke igwe mmadụ. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị bi na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa na-asụ ma nke a bụ otu asụsụ na- enwe ihe aka mgba n'ihi nzuruụwa. Ufomata (2015) kọwara na ebumnobi nguzobe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo a bụ iji hụ na- akwadoro ụmụakwụkwọ Igbo inweta nka asụsụ Igbo, bido na nka ogige, nka okwukwu, nka ọgụgụ, na nka odide. N'echiche Uzondụ (2017), ihe ọzọ bụ ime ka ụmụakwụkwọ mụta ụda okwu n'ihi na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụda, ịmụta usoro okwu na nhazi asụsụ Igbo tinyere ihe gbasara omenala Igbo. N'ihi nke a, nkwalite na nchekwaba ya dị mkpa maka inwe mgbasa aka n'omenala na nkwalite asụsụ ọdịnala. Iji kwalite ọnọdụ a ka ndị gọvmenti ji wepụta otu iwu asụsụ ke agụmakwụkwọ maka nchekwaba asụsụ ndị dị nta na-achọ ịnwụ anwụ dịka asụsụ Igbo tụmadị n'oge nzuruụwa.

Nzuruụwa ka a mara ka oge ngwa nkanụzụ mere ka ịgbasa ozi dị mfe na mba ụwa niile (Williams, 2011). Williams gara n'ihu kọwaa na nke a nyere onye ọbụla ohere ịhụta na ịmata ihe ụzọ ebimndụ mba dị iche iche. N'ihi nke a, nzuruụwa bụ ihe were anya na o wetala mgbasa asụsụ (*linguistic diversity*), njekọrịta na ngwakọrịta asụsụ (*language contact),* na nhapụ asụsụ (*language shift).* Nke a pụtara ihe n'obodo Naịjirịa ebe asụsụ Bekee nwere ọnọdụ n'ụzọ mmekọrịta niile, dịka n'ọnọdụ agụmakwụkwọ, azụmahịa, na ọchịchị. Ezeilo (2016) hụtara ọnọdụ a e nyere asụsụ Bekee dịka ihe kwadara iji asụsụ aranne dịka asụsụ Igbo enwe mmekọrịta. Iji

kwalite asụsụ aranne a tụmadị asụsụ atọ kachasị pụta ihe n'ala naijirịa gụnyere Igbo, hausa na yoruba, ka gọvmentị ji wepụta atụmatụ iwu ke asụsụ (*language policy)* na otu a ga- esi ezivụta ya n'ọnọdụ agụmakwụkwọ (*implementation*).

Atụmatụ iwu asụsụ ke agụmakwụkwọ bụ ihe e webatara iji hụ na e belatara ọnọdụ asụsụ Bekee nwere ma nye ọtụtụ asụsụ epum e nwere n'ala Naijirịa ọnọdụ ga- akwalite ha (Fafunwa, 1996). Naijirịa bụ obodo a mara nwere agbụrụ na ọtụtụ asụsụ epum bụ nke ha ji ebindụ ha tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Africa. Atụmatụ iwu ke asụsụ na Naijirịa (2004) bụ nke kọwara na asụsụ bụ ngwa dị mkpa n'ịkwalite mmekọrịta, ịdị n'otu na nchekwaba omenala. Atụmatụ a kọwapụtara iwu jikotara asụsụ e ji akụzi n'ụlọakwụkwọ nakwa ịmụ asụsụ dịka out ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ, Atụmatụ iwu ke asụsụ pụtara mbọ ndị gọvmenti, otu agụmakwụkwọ, nakwa obodo na- agba iji hụ na- enwere iwu na- echekwaba etu e si eji asụsụ arụ ọrụ, ọkwa a ga- enye asụsụ n'obodo, na enwemike mmadụ nwere iji asụsụ ya n'ogo agụmakwụkwọ, gọvmenti, mgbasa ozi ọwa ikuku, na ebe a na- arụ ọrụ.

Atụmatụ iwu ke asụsụ ọhụrụ a (2016) gbadoro ụkwụ na mkpa ọ dị ịkwalite asụsụ aranne (*promotiom of indigenous language*), ịkụziri ụmụaka ọtụtụ asụsụ tụmadị *(multilingualism),* mgbasa asụsụ (*linguistic diversity*), ịkụzi asụsụ Igbo na agụmagụ n'ụlọakwụkwọ tinyere ụzọ a ga- esi kwalite iji asụsụ aranne nwe mmekọrịta nakwa ọmụmụ n'ọnọdụ agụmakwụkwọ, azụmahịa na ọchịchị. N'iga n'ihu, ọ dị mkpa ịmata na atụmatụ nwere ebumnuche n'ogo agụmakwụkwọ ọbụla.

N'ogo praimarị, ndị otu a, kwadoro na asụsụ epum maọbụ asụsụ gburugburu ebe a mụrụ nwata a ka aga- eji wee kụzie ihe ọmụmụ niile bido n'ogo nke mbụ ruo na ogo nke atọ, tupu e were asụsụ Bekee bido nkuzi n'ogo nke anọ (Bamgbose, 2011). Ebumnobi a bụ maka uru ọ bara n'ime ka ha mara etu e si eche echiche nke ọma. Egbokhare (2010) kọwara na dịka o si gbasata ịkụziri ụmụaka ọtụtụ asụsụ (*multilingualism), ọ gbasara* asụsụ atọ kachasị pụta ihe n'ala Naijirịa bụ nke gụnyere Igbo, Hausa na Yoruba, iwere asụsụ Bekee dịka asụsụ e ji eme ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ sekọndirị nakwa n'ụlọakwụkwọ dị elu, tinyere ịkwado ọmụmụ asụsụ mba Ofesi dị ka French na Arabic. Ọzọ bụ na onye ahụ ga- enweta amamiihe zuruoke n'ebe agụmagụ na omenala dị tụmadị omenala ndịmkpa dịka ihe gbasara ikele ekele, ịkwanye ugwu tụmadị ndị okenye, tinyere ịmata ihe bụ nsọala na ihe

ndị ọzọ. Atụmatụ a pụtakwara ihe n' ọmụmụ ọrụ nka ụmụakwụkwọ na- eme n'ụlọakwụkwọ n'oge gara aga, dịka ihe ọmume. Ọrụ aka ndị a ha na- amụ n'ụlọakwụkwọ praimarị gụnyere ịkpa ọtụtụ ihe dịka nkata, ịkwa nka dịka ịpị ihe ọpịpị na ịkpụ ihe ọkpụkpụ ụfọdụ, dịka ịkpụ ite, ịkpụ aziza na ihe ndị ọzọ. Ndị otu na- akwalite agụmakwụkwọ na omenala na mba ụwa a kpọrọ UNESCO (1983) arutubugo aka na mkpa ọ dị iji asụsụ epum wee kụzie ihe n'ogo a, n'ihi na ọ na-eme ka ụmụaka mmata etu e si eche echiche.

N'ogo sekọndịrị bụ nke ihe nchọcha gbadoro ụkwụ, atụmatụ iwu nke asụsụ kwadoro ihe a ga- amụta n'ogo junịọ nakwa n'ogo sekọndịrị. Ekwe (2020) kọwara na n'ogo junịọ sekọndịrị, ndị otu atụmatụ iwu agụmakwụwkwọ a, mere ka ọ bụrụ iwu na nwata akwụkwọ ọbụla ga- eme ihe ọmụmụ n'asụsụ epum ya, n' asụsụ Bekee nakwa otu asụsụ epum ọzọ n'ime asụsụ atọ kachasị wee pụta ihe na- abụghị asụsụ epum nke ya. Ebumnobi ime ihe ọmụmụ n'asụsụ epum (Igbo) nke agbụrụ nwata akwụkwọ bụ:

- ịhụ na nwafọ Igbo ọbụla ga- amụta etu e si eji okwu Igbo dị ọkpụrụkpụ, nka asụsụ dịka ilu, akpalaokwu, atụmatụ okwu dịka myiri, mbụrụ, nsinuda, mbịambịa mgbochi, igbuduokwu wee chọọ asụsụ Igbo o ji ekwupụta echiche ya mma nke ọma.
- Ebumnobi ọzọ, bụ igosipụta na ịkọpụta agụmagụ ọnụ ọdịnala dị n'asụsụ Igbo dịka akọmakọ-akụkọ ifo na ihe mmụta dị ya, akụkọ ọkpụ, akụkọ agbụrụ/ala, abụ dị iche iche- dịka abụ mkpaobiọma, nkọcha/ikpe, abụ otito, abụ ngụgụ, egwu ọdịnala- dịka egwu ịkpaobiọma, mmeda obi, egwu ngụgụ nwa, egwu ọmụrụ nwa na ndị ọzọ, ngwa egwuregwu dịka ịzụ eche, ngwa ọmụmụ mkpụrụ edemede asụsụ Igbo.
- Ọzọ, bụ ịhụ na ụmụakwụkwọ nwere mmasị n'ịgụ akwụkwọ ọgụgụ/agụmagụ e dere n'asụsụ Igbo.
- Ihe ọzọ bụ idepụta asụsụ Igbo nke ọma, ma ọ dị n'ụdị edemede dị iche iche maọbụ na ederede nkịtị, site n'iji mkpụrụ edemede Igbo/ọtọgrafị a nabatara, ịkanye akara edemede kwesiri, ịgbaso usoro iwu nsupe asụsụ Igbo dịka o si gbasata ọnọdụ ụdaume, mgbochiume na myiriụdaume n'okwu Igbo, ịma ihe gbasara ọrụ 'na', ịgbaso otu usoro ndepụta asụsụ Igbo dịka ndesa maọbụ ndekọ ọnụ na ndị ọzọ.
- Ọzọ bụ maka izipụta aka nka a tụrụ anya n'ebe asụsụ Igbo dị site n'ịchịkọba na idepụta akụkọ nke nke, idepụta egwu ọdịnala dị iche iche

n'asụsụ Igbo dịka egwu ọdịnala nkịtị, egwu nwa, egwu ọnwa, tinyere izipụta igbe mkpụrụ okwu egwuregwu. Ihe niile a bụ ngwa nkwụdosike maka ime ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu.

N'ogo sịnịọ sekọndịrị, ndị otu atụmatụ iwu agụmakwụwkwọ mere ka asụsụ epum bụrụ otu ihe ọmụmụ a na- eme n'ụlọakwụkwọ, ma bụrụkwa nke a na- ele n'ule WASSCE nakwa NECO. Ebumnobi ndị otu a bụ:

- Ịmata n'uju ihe gbasara ụtọasụsụ Igbo, dịka nkejiasụsụ, nkejiokwo, nkebiahịrị, atụmatụ okwu, nka asụsụ, tensị, na, na ndị ọzọ.
- Ịmata n'uju ihe gbasara omenala na ewumewu dịka omenala ndịmkpa, emume ngafe dịka ili alọ, ibe ugwu, ịgụ aha, tụmadị emume ntozuoke ntorobịa - ịwa akwa na iru mgbede, emume ngafe nkewa- alụmdi tinyere oke na ọrụ onye ọbụla n'ezinaụlọ, ile ọmụgwọ. A na- amụta ihe gbasara ọjị nke ọma, dịka ọjị dike, ọjị ọmụmụ, na ndị ọzọ, echichi, ekpemekpe ọdịnala, nsọala na ịkpụ arụ, akwamozu n'ala Igbo, iri ekpe na ike ekpe na ọtụtụ omenala ndị ọzọ.
- ịmụwanye ọrụ nka n'uju site n'imepụta ya dịka ihe omume n'ụlọakwụkwọ, nakwa n'ụlọ ọrụ ebe a na - arụ ọrụ ya n'ime obodo, ma nke a ka ha na- amụta site n'ọmụmụ ya, tinyere njem nlereanya.

N'ogo mahadum, ebumnobi ndị otu a bụ:

- Izụpụta ndị nwere nkwụdosike nke onwe na mmepụta tụmadị na mmepụta nka na ọrụ aka ndị Igbo dị iche iche maka igbo mkpa nke onwe, nkwalite na otito obodo, ezi mmekọrịta na ịdị n'otu.
- Ikuzi na ime nchọcha n'asụsụ Igbo na omenala site na njem nlereanya, ịgba ajụjụ ọnụ, na site ngwa nkanụzụ.
- Ịbụ akwa akwụrụ n'edemede, ụtọasụsụ, omenala, agụmagụ, ntụgharị tinyere ịgbasa ozi maka nke a.

Site n'ihe a kọwara n'elu, ọ dị mkpa ịmata na e nwere ezigbo ebumnobi e ji guzobe atụmatụ iwu nke asụsụ, nke na emejupụta ya, ọ ga - adị ire na nkwadosike nke nwafọ Igbo ọbụla. Ka osila dị, anaghị emejupụta ebumnobi atụmatụ ke agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo n'oge nzuruụwa n'ihi akamgba dị iche iche.

Mmejupụta atụmatụ iwu nke asụsụ (*Implementation of language policy)* pụtara usoro e ji etinye iwu, usoro a na- agbaso, ntụziaka e ji ahazi nkuzi na ọmụmụ asụsụ iji hụ na e nwetra ebumnuche ọmụmụ (Cooper, 1989). Mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ gbasara nkwalite kọrikulum ihe ọmụmụ, inye ndị nkuzi ọzụzụ, ịhụ na e nwere ngwa e ji akụzi ihe, ịhụ na e newere ezi usoro nnwale ihe ọmụmụ, ịhụ na ndị obodo sonyere n'ịkwalite iheọmụmụ tinyere ịhụ na e nwere ezi usoro mgbado anya na nhazi ihe ọmụmụ. Ka osila dị, akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị gụnyere enweghị kọrikulum ihe ọmụmụ asụsụ Igbo kwụdosiriike (*lack of standardization)*, enweghị ezigbo ndị nkuzi tozuru etozu, enweghị ngwa nkuzi kwesiri, nleda anya n'ebe asụsụ Igbo dị, ihe ọmụmụ ndị ọzọ na- ama asụsụ Igbo aka dịka asụsụ Bekee, ihe ọmụmụ mgbakọ na nwepụ tinyere ihe ọmụmụ sayensi, enweghị ezigbo agwa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo tinyere ihe enwetaghị ezi nkwado n'aka nne na nna n'ihi nleda anya ha nwere n'ebe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.

Nsogbu Nchọcha

Nzuruụwa bụ ihe were anya na o wetaala mgbasa asụsụ, njekọrịta asụsụ nakwa nhapụ asụsụ. Nhapụ asụsụ a, nzuruụwa na- eweta mere na ọtụtụ asụsụ epum maọbụ asụsụ aranne tụmadị asụsụ ndị dị nta dịka asụsụ Igbo na- achọzị ịnwụ anwụ. Ndị otu atụmatụ iwu ke agụmakwụkwọ abụrụla ihe were anya mbọ ọ na-agba n'ebe nkwalite na nchekwaba asụsụ aranne tụmadị ndị nke na- achọ ịnwụ anwụ ka asụsụ Igbo, n'ihi uru ọ bara na ezumoke na nkwụdosike nke mmadụ n'oge nzuruụwa. Dịka o si gbasata asụsụ Igbo n'oge nzuruụwa a asụsụ na- agbasa ebe niile mana ejikọtakwa ọnụ(interconnected), mmepụta atụmatụ iwu nke asụsụ a bụ ihe dị oke mkpa maka nkwalite na nchekwaba ya. N'agbanyeghị mbọ a na-agba n'ịkwalite asụsụ epum n'oge nzuruụwa a, asụsụ Igbo na- adaghachị azụ n'ihi ọtụtụ ihe akamgba chere ya n'ihu. Asụsụ Bekee ewerela ọnọdụ n'ebe agụmakwụkwọ, azụmahịa na ndọrọndọrọ ọchịchị dị, ma nke a mere na anaghịzị enweta nka asụsụ Igbo, ejighịzị asụsụ Igbo arụ ọrụ maọbụ kpọrọ ihe. Ihe ndọghachiazụ mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ n'ebe asụsụ Igbo dị, enweghị anya maọbụ na enweghị ndị nkuzi asụsụ Igbo tozuru etozu ka ọ bụ enweghị ihe nkwado mepụta ihe ọmụmụ asụsụ Igbo? Nke a mere onye nchọcha ji chọọ ịmata ihe akamgba na- adọghachị mmepụta ebumnobi atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji mee nchọcha a:

1. Kedu atụmatụ iwu ọhụrụ ke asụsụ ga- akwalite mgbasa na nchekwa asụsụ tụmadị asụsụ aranne n'oge nzuruụwa a?
2. Kedu akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'oge nzuruụwa?

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sọvee nkọwa. Nworgu (2016) hụtara usoro sọvee nkọwa dịka usoro na- akọwa isiokwu, agwa maọbụ ihe a na-ahụta gbasara ndị e ji eme nchọcha n'usoro n'usoro, n'agbakọnyeghị maọbụ iwepu ihe ọbụla n'ihe a na-ahụta anya oge ahụ a na-eme ya bụ nchọcha. Onye nchọcha hụtara ụdị nchọcha a, dị ka ihe dabara n'isiokwu nchọcha ya, ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n'ịmata mmetụta atụmatụ iwu ke asụsụ na mmepụta ya n'ebe ọmụmụ asụsụ igbo dị n' ụlọakwụkwọ sekọndịrị na steeti Enugu**.** Ndị e ji mee nchọcha bụ ndị isi nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na steeti Enugu. Ndị e jiri mee nchọcha kpọm kwem bụ ndị isi nkuzi asụsụ Igbo dị iri isii na atọ bụ nke ndị nchọcha gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ gụnyere usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta. Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza bụ nke ihe e depụtara na ya dị iri abụọ na abụọ (22) n' ime nkeji abụọ. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.78. E jiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha. Ihe e guzobere maka ịnweta ihe nchọcha bụ nke gbadoro ụkwụ n'usoro liketị ma ihe mpụtara ya bụ nke a KKI – kwere kwesie ike, KE – kwere ekwe, JA – jụrụ ajụ, JKK – jụrụ kpam kpam bụ nke e nyere akara 4,3,2,1. Ọsịsa ọbụla e nwetara pekarịrị 2.50 gosiri ekweghị ekwe, ebe ọsịsa nke ruru akara 2.50 maọbụ karịa gosiri ịguzosi ike kwem maọbụ kwere ekwe bụ nke gbadoro ụkwụ etu e si wee hazie ajụjụ nke ọbụla.

Nchọpụta

Ihe e nwetara site na nchọcha ka e zipụtara na tebul abụọ dịka o si gbasata ajụjụ nchọcha abụọ onye nchọcha guzobere.

Ajụjụ nchọcha 1: Kedu atụmatụ iwu ọhụrụ ke asụsụ ga- akwalite mgbasa na nchekwa asụsụ tụmadị asụsụ aranne n'oge nzuruụwa a?

Tebul 1: Mini echiche ndị nkuzi n'ịmata atụmatụ iwu ọhụrụ ke asụsụ ga-akwalite mgbasa na nchekwa asụsụ tụmadị asụsụ aranne n'oge nzuruụwa a.

Ọnụọ gụ	**Ndịna**	**Mii n**	**Ndịpụ n'izugbe**	**Mkpebi**
1	Enwmeike nke nwa amala ọbụla iji asụsụ aranne ya wee mme agụmakwụkwọ, n'ọchịchị na ụzọ ebimndụ ndị ọzọ (*language rights*).	2.81	.60	Kwere ekwe
2.	Ịkwalite asụsụ aranne(*promotion of indigenous language)* .	2.57	.65	Kwere ekwe
3	Gọvmentị ịkwado iji asụsụ aranne wee mee nkuzi n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị *(Mother Tonguee- Based Education).*	2.73	.62	Kwere ekwe
4	Ikwenye na asụsụ Bekee ka a ga- eji na-eme nkuzi na ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ, kama na a ga- ejikwa asụsụ aranne akụzi ihe na mmalite agụmakwụkwọ praịmarị (*Language of Instruction).*	2.64	.72	Kwere ekwe
5	Nkwado mgbasa asụsụ (*Linguistic diversity).*	2.59	.61	Kwere ekwe
6	Ịkụziri ụmụaka ọtụtụ asụsụ aranne tinyere ikuzi asụsụ mba ofesi *french na Arabic (multilingualism)*	2.83	.76	Kwere ekwe

Mkpoko Miin - 2.65

Tebul nke mbụ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' ịmata atụmatụ iwu ọhụrụ ke asụsụ ga- akwalite mgbasa na nchekwa asụsụ tụmadị asụsụ aranne n'oge nzuruụwa a. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị isii nke bidoro 1 – 6. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.65 karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ atụmatụ iwu ọhụrụ ke asụsụ ga- akwalite mgbasa na nchekwa asụsụ tụmadị asụsụ aranne n'oge nzuruụwa a.

Ajụjụ nchọcha 2: Kedu akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'oge nzuruụwa?

Tebul 2: Mini echiche ndị nkuzi n'ịmata akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'oge nzuruụwa?

S/N	Ndịna	Miin	Ndịpụ n'Izugbe	Mkpebi
	Ndịna			
7	Enweghị kọrikulum ihe ọmụmụ asụsụ Igbo kwụdosirike (*lack of standardization*)	2.63	.50	Kwere ekwe
8	Nleda anya n'ebe asụsụ Igbo dị, n'ihi na asụsụ Bekee ewerela ọnọdụ.	2.52	.64	Kwere ekwe
9	Ịmaaka sitere n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ dịka asụsụ Bekee, ihe ọmụmụ mgbakọ na nwepụ tinyere ihe ọmụmụ sayensi*(competing interests).*	2.60	.68	Kwere ekwe
10	Enweghị ezigbo agwa n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị	2.59	.61	Kwere ekwe
11	Enwetaghị ezi nkwado n'aka nne na nna n'ihi nleda anya ha nwere n'ebe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.	3.00	.82	Kwere ekwe
12	Enweghị ezigbo ndị nkuzi tozuru etozu	2.65	.65	Kwere ekwe
13	Enweghị ngwa nkuzi kwesiri	2.77	.66	Kwere ekwe
14	Enweghị nka asụsụ Igbo	2,83	.73	Kwere ekwe
15	Enweghị ezi nkwado site n'aka ndị gọvmentị na ndị otu mmebe iwu gbasara asụsụ.	2.62	.79	Kwere ekwe
16	Mgbasaka asụsụ na omenala*(Cultural and linguistic diversity)*	2.59	.61	Kwere ekwe

17	Enweghị usoro tọrọ atọ e ji eme nwale *(Assessment and evaluation)*	2.71	.68	Kwere ekwe
18	Esonyeghị ndị obodo n'ebe nkwalite nkuzi asụsụ Igbo na omenala dị *(Lack of Community involvement).*	2.63	.51	Kwere ekwe
19	Nkwalite omenala ndị mba ofesi karịa omenala Igbo (*Cultural homogenization).*	2.55	.50	Kwere ekwe
20	Ndị ọkammụta na ọka nkuzi na asụsụ Igbo ịhaụ ịkwalite asụsụ Igbo n' ala Igbo gaba n'ala Bekee, ma nke a na- ebelata ọnụọgụ ndị nkuzi(*Brain drain).*	2.58	.67	Kwere ekwe
21	Mbigharị n'obodo dị iche iche(*Urbanization and Migration*)	2.59	.54	Kwere ekwe
22	Ngwa nkanụzụ ịkwalie asụsụ Bekee karịa asụsụ Igbo *(Technological advancements)*	2.63	.60	Kwere ekwe

Mkpoko Miin - 2.71

Tebul nke mbụ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'oge nzuruụwa. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị iri na isii nke bidoro 7 – 22. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.71 karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'oge nzuruụwa.

Mkparịtaụka

Ihe a chọpụtara gosiri na atụmatụ iwu ọhụrụ ke asụsụ ga- akwalite mgbasa na nchekwa asụsụ tụmadị asụsụ aranne n'oge nzuruụwa a gụnyere enwmeike nke nwa amala ọbụla iji asụsụ aranne ya wee mme agụmakwụkwọ, n'ọchịchị na ụzọ ebimndụ ndị ọzọ, ịkwalite asụsụ aranne, gọvmentị ịkwado iji asụsụ aranne wee mee nkuzi n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị, ịkụziri ụmụaka ọtụtụ asụsụ aranne tinyere ikuzi asụsụ mba ofesi *french na Arabic* na ndị ọzọ. Nchọcha a yitere nchọcha Uba (2018) na Iwu (2018) bụ ndị gbadoro ụkwụ na ndị gọvmentị na otu atụmatụ agụmakwụkwọ ahụtala uru asụsụ aranne na inweta asụsụ ọzọ bara tụmadị n'oge

nzuruụwa ma nke a mere ha ji agba mbọ ime ka ọhaneze mata ma kwado ya maka ụmụaka ịnata asụsụ aranne nakwa asụsụ ndị ọzọ maka ezumoke na nkwụdosike nke mmadụ. Ihe nchọpụta a na- egosi bụ na ọ bụ naanị mgbe e nyere asụsụ Igbo ọnọdụ ruru ya, ma tinyekwa asụsụ ndị ọzọ dka asụsụ Bekee ebe o kwesiri n'ebe agụmakwụkwọ dị, n'ebe ọchịchị, azụmahịa nakwa mpaghara ebimndụ ndị ọzọ, ga- eme ka asụsụ Igbo hapụ ịnwụ anwụ ma nwee ezi nchekwaba. Nkọwa na- arutu aka na nchekwaba asụsụ na- adị ire ma atinye ya n'ọrụ, n'ihi ya, ọ bụ itinye asụsụ Igbo n'ọrụ eto o kwesiri nakwa iwebata asụsụ ndị ọzọ ebe o kwesiri bụ ụzọ kachasị dị ire maka nchekwaba ya nakwa ime ka nwafọ Igbo ọbụla nweta ụzọ ebimndụ zuruoke n'oge nzuruụwa.

Nchọpụta nke ikpeazụ gosiri na akamgba chere mmejupụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'oge nzuruụwa gụnyere enweghị kọrikulum ihe ọmụmụ asụsụ Igbo kwụdosirike, ịmaaka sitere n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ dịka asụsụ Bekee, ihe ọmụmụ mgbakọ na nwepụ tinyere ihe ọmụmụ sayensi, nleda anya n'ebe asụsụ Igbo dị, n'ihi na asụsụ Bekee ewerela ọnọdụ, ndị gọvmentị enyeghị nkwado ego na ngwa agụmakwụkwọ nakwa ndị ọzọ.

Nchọpụta a dabara na nkeEzeilo (2016) na Uzondu (2017) bụ ndị gbadoro ụkwụ na imepụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ọmụmụ asụsụ dị bụ ihe kwesiri na a ga-agbakọta aka ọnụ ma n'aka ndị gọvmentị, ndị na- ahazị ọmụmụ na ndị obodo maka inye asụsụ Igbo ọnọdụ kwesiri ya. Ihe a chọpụtara na- egosi na ndị gọvmentị nwere ọrụ dịrị ha n'ebe ịkwado nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo site n' ịnye iwere ndị nkuzi tozuru etozu nakwa inye nkwado ego na ngwa nkuzi ga- eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe. N'otu aka ahụ, ndị na- ahazi nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo ka ọ dịrị ịhụ na e nwere kọrikulum kwụdosirike maka ọmụmụ asụsụ Igbo tinyere na e nyere asụsụ Igbo ọnọdụ kwesiri ya n'ebe iji yam me nkuzi na ọmụmụ dị, ebe ndị obodo ga-enye nkwado ego tinyere ngwa nkuzi iji hụ na e mepụtara atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Nke a na-egosi na mmepụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị ga-amịta mkpụrụ naanị mgbe ndị out a dị iche iche na- arụ ọrụ dịrị ha.

Mmechị na ịtụ alo

N'oge nzuruụwa, ebe asụsụ Bekee were ọnọdụ n'ụzọ ebimndụ mmadụ niile, ọ bụ ihe dị mkpa na ndị gọvmentị ga-agba mbọ inye asụsụ epum maọbụ asụsụ aranne dịka asụsụ Igbo ezi ọnọdụ kwesiri ya n'ebe agụmakwụkwọ, azụmahịa, ọchịchị na mpaghara ebimndụ ndị ọzọ, maka nkwụdosike nke nwafọ Igbo ọbụla, nkwalite na nchekwaba asụsụ Igbo. Ọ bụ naanị mgbe asụsụ epum nwetara ọnọdụ kwesiri tinyere asụsụ epum ndị ọzọ bụ mgbe a ga- enwe gbasa asụsụ, ezi nchekwaba omenala, nkwalite amamiihe tinyere mmetankeọma ụmụakwụkwọ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ogo sekọndịrị.

Ịtụ alo

N'ihi ihe ndị a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụtara alo ndị a:

1. Ndị gọvmentị ga- agba mbọ n'inye nkwado ego maka mmevụta atụmatụ iwu ke asụsụ n'ebe nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị.
2. Ndị gọvmentị ga-eme ka ọ bụrụ iwu na nwata akwụkwọ ọbụla ga na-eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ogo sekọndịrị na mvaghara Ọwụwa Anyanwụ Naijiria.
3. Ndị nne na nna ga- agba mbọ ịhụ na ụmụaka ha ji asụsụ Igbo enwe mmekọrịta na mkvakọrịta n'ezinaụlọ.
4. Ndị na-ahụ maka korikulum ga emepụta korikulum asụsụ kwụdosirike maka asụsụ Igbo na omenala.
5. Ndị gọvmentị ga-enye ndị nkuzi asụsụ Igbo ọzụzụ nkwụdosike ga- akwalite nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo.
6. Ndị na- ahụ maka agụmakwụkwọ ga- enye aka n' ịkwado nsonye ndi obodo maka nkwalite ọmụmụ asụsụ Igbo
7. Ndị na- ahụ maka agụmakwụkwọ, ma ndị nkuzi na ndị obodo ga - agba mbọ ịhụ na a na- emepụta ngwa nkuzi dị iche iche a ga- eji na- eme nkuzi na ọmụmụ n'asụsụ Igbo.
8. Ndị eze ọdịnala obodo ọbụla ga-ahụ na ha na- akwalite asụsụ Igbo na omenala site n'ịchịkọba mmemme ọdịnala dị iche iche mgbe o kwesiri na a ga-eme ya n'obodo.

Nrụaka

Bamgbose, A. (2011). Language policy and planning in Nigeria: A critical review. Journal of Language and Linguistics, 10(2), 251-264.

Cooper, R. L. (1989). Language planning and social change. Cambridge University Press.

Egbokhare, F. O. (2010). Language policy and planning in Nigeria: Issues and challenges. Journal of Language and Linguistics, 9(1), 123-134.

Ekwe, U. (2020). Language teachers training, Implication for students' achievements. Retrieved from http://www.google.com.

Ezeilo, R.(2016). *Major factor in determining Language policy in education.* Ibadan

Fafunwa, A.B. (1996). *History of education in Nigeria*. London Heinman Educationa l Books Ltd.

Federal Ministry of Education (1985). National Curriculum for Senor Secondary Schools.

Federal Republic of Nigerian (1998). Revised. National Policy on Education. Lagos: National

Federal Republic of Nigeria- Official Gazette (1999). The Constitution of Federal Republic

Federal Republic of Nigeria (2004). *National Policy on Education,* Lagos: NERDC

Federal Republic of Nigeria (2014) National policy on education revised (4th edition). NERDC

Iwu, I.O. (2018). Challenges of Multilingual Language Policy in Nigeria. *ELT Journal* 7 (2) 34- 49.

Musa, E, K. (2010). Multilingualism and Language Function, A way forward. *Journal of cultural studies*, 3 (1) 86- 99.

Nworgu, B. G. (2006). *Educational research, basic issues and methodology*. Nsukka, Enugu: Technology, Curriculum, Cost, Evaluation. Paris: UNESCO.

Uba, P. (2018). Need for language teachers training. Retrieved from http://www.google.com.

Ufomata, T. (2015). The challenges of promoting Igbo language education in Nigeria. Journal of Language and Linguistics, 14(1), 115-126.

Uzondu, N. (2017). Official Languages and its role in Nigeria: Challenges and prospects. J*ournal of Education*, 4(1) 47- 56.

Williams, N. I. (2011). In-service education of teachers: problems and prospects. Retrieved from http://www.vneupress.net/NG-BG1625.